# AMỤMA NKE HAGAI

**Hagai 1:1-15; 2:1-23.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 427**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Unu aghawo ọtutu nkpuru, ma nke-ntà ka unu webatara; unu nēri ihe, ma ọ digh afọ juworo unu; unu nāñu ihe-ọñuñu, ma ọ digh nñuju-afọ unu ñujuworo; unu yiri uwe, ma ọ digh okpom-ọku nēkpo madu; ọzọ onye nāluta ugwọ-ọlu nāluta ugwọ-ọlu itinye n'akpa puru-epu" (Hagai 1:6).**

**I Iche Ákámgbá maka Ịlụchasị Ụlọukwu Chineke**

1 Hagai buru amụma ga n'arọ nke abụọ nke Eze Daraiọs, Hagai 1:1; Ezra 4:24.

2 Ndị ahụ ekwuworị na oge iwu Ụlọukwu Jehova erubeghị, Hagai 2:2-4.

3 Ichè ihe banyere náánị onweha na ilefuru ọlụ nke Ụlọukwu Jehova anya ewetawo nsogbu, Hagai 1:5-11.

**II Amalitere Ọlụ ahụ ọzọ**

1 Gọvanọ, onyeisinchụàjà, na mmadụ dum rubereisi n'ọkpụkpọòkù ahụ, Hagai 1:12; Deuteronomi 5:29.

2 Onyeamụma ahụ wetara okwu agbamume nke sitere na Jehova, Hagai 1:13; Aisaia 41:10.

3 Akpaliri mmụọ nke onye ọ bụla, Hagai 1:14, 15; Ezra 1:1, 2.

4 Ebube nke Ụlọukwu ahụ erughị iji tụnyere nke mbụ, Hagai 2:1-3; Ezra 3:12.

5 Onyeamụma ahụ buru amụma banyere ebube nke gaje ịbịa n'Ụlọukwu ahụ n'oge Ọchịchị puku Arọ nke Kraist, Hagai 2:4-9.

**III Ngọzi dị icheiche**

1 NsọpụrụChineke na ịdịnsọ adịghị efeèfè, Hagai 2:10-12.

2 Mmehie, ekwesịghị ntụkwasịobi na ndaghachiazụ na efeèfè, Hagai 2:13, 14.

3 Cheta ọnọdụ ọjọọ nke dị tupu ọlụ Ụlọukwu Jehova ahụ amalite kwa ọzọ, Hagai 2:15-17; Deuteronomi 28:15-68.

4 Ngọzi abawoụba, ọ ga naaba kwa ụba karịa ka anaeme ka ọlụ nke Chineke naaga n'iru. Hagai 2:18-23; Deuteronomi 28:1-14.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Hagai buru amụma ya n'arọ nke abụọ nke Daraiọs, eze Peasia: (Nke a abụgh Daraiọs ahụ bụ́ onye mere ka atụba Daniel n'olùlù ọdụm). Ihe dị ka arọ iri na isii maọbụ asaa tupu oge a ka Sairọs, eze mbụ nke Peasia mere ka ndị Israel adọtara n'agha nwere onweha. Ọ bụ Chineke kpaliri ya ime nke a. O nwere mmasị na agaewu ụlọ Onyenweanyị na Jerusalem, o wee kpọọ ndị ahụ adọtara n'agha bi na Babilọn òkù bụ ndị naefe ezi Chineke ka ha bilie gaa Jerusalem ịmalite iwu ya. Chineke naeme ka àtụ̀màatụ̀ ya mezue site n'ịkpali eze náamaghị Chineke ka o mee ihe ndịa. Ọ bụ ihe anaemeeme bụ́ ndị eze ime ka ndị ha adọtara n'agha nọdụ n'okpuru ha. Nebukadneza dọtara ndị Israel n'agha ma Sairọs meriri Babilọn n'agha, o wee bụrụ náánị otù nime ebe anaachịachị n'ala eze Peasia.

### Atụfuru Ọ̀hụ̀

Hagai pụtara gwa Zerubabel, bụ́ Gọvanọ, na Joshua, onyeisinchụàjà na Jehova naakpọ ndị ahụ òkù ịkọwa ihe mere ha aka ewuchaghị Ụlọ Jehova. Oge eruwo ka ha chefue inwe afọojuju n'ihe nke aka ha na n'ụlọ ha maramma wee wue Ụlọ Jehova. Ndịiro ha emewo ka ha daa mba ma kwusị kwa ha n'ọlụ ahụ ma ugbu a oge iwu Ụlọukwu Jehova eruwo (Ezra 4:24). Ekwesịghị ntụkwasịobi ha na itinye onweha n'ịchọ náánị ihe nke aka ha agbasawo rue na ọ ghọrọ mmehie nke mmadụ niile naeme. Eleghịanya ha adawo mba karị n'ihi na emere ka mmiriòzùzò ghara ịdị nke mere na ha naadọgbu onweha n'ọlụ karịa ma náenweta náánị ihe ntakịrị.

Nka naechetara anyị ịgbaàmà nke ọtụtụ mmadụ, ndị hụrụ ahụhụ mgbe ha rapụrụ ịkwụ Chineke otùụzọ n'ụzọ iri ha (nke bụ kwa nke Ya n'ezie). Mgbe mmadụ ọ bụla naasọpụrụ Chineke site n'ịkwụ otùụzọn'ụzọiri, Chineke naeme ka ụzọ iteghete ahụ nke fọdụrụ mee ihe karịa otú ha niile gaemewori ma asị na akwụghị otùụzọn'ụzọiri ahụ. Ihe naeweta ngọzi Chineke taa bụ kwa otù ihe ahụ dịka ọ dị n'oge ahụ. Mgbe mmadụ ọ bụla naasọpụrụ Chineke, naefe kwa Ya òfùfè, kwụghachi kwa nkwa niile o kwere wee naecheta na ọ gaghị enwe chi ọzọ tinyere Ya, ngọzi dị icheiche naabịa. Mgbe mmadụ naechefu Chineke, nsogbu naaba ụba.

Ọbụná ma asị na nsogbu ahụ abịghị n'otù mgbe ahụ, oga mpịakọta gaeru. Ụfọdụ achọpụtawo na mkpụrụ niile nke ndaghachiazụ ha apụtaghị ìhè tutu rue mgbe ụmụ ha topụtara nkeọma ịbà nime mmehie. Mgbe ahụ ndị mụrụ ha naahụ ahụhụ nke óké ịkwáụta mgbe ha chetara na ọ bụ n'ihi ịlaazụ n'ọlụ ha nke bụ ịzụlite ụmụ ha n'inwe ekpere nke èzínaụlọ na nime chọọchị na iheọmụ̀mụ̀ nke ụlọakwụkwọ ụbọchịụkọ.

**Oghere Ọzọ**

Chineke kwesịrị ntụkwasịobi n'ebe ndịa nọ, ọ bụ ezie na ha echéfuwo ọlụ dịrị ha n'ebe Ya onweYa nọ. O zigara onyeamụma Ya ịgwa gọvanọ na onyeisinchụàjà ihe kpatara nsogbu ahụ na ihe agaeme banyere ya. Ha na ndị ahụ niile rubereisi n'ọkpụkpọòkù ahụ ịlaghachi n'ọlụ, wee jikere ịlụọlụ nke iwú Ụlọukwu Jehova ahụ. Onyeamụma ahụ wetara okwu agbamume si n'ebe Jehova nọ na Ya onweYa nọnyeere ha. Lee otú ha gaabụworị ndị agọziriagọzi n'ọlụ ha niile mgbe ha nụrụ okwu ahụ site n'ọnụ onyeamụma ahụ! N'ụbọchị ndịa, Mmụọ nke Onyenweanyị naeso mmụo nke anyị náagba àmà mgbe anyị nọ n'ezi ụzọ ahụ, ma n'ikwesị ntụkwasịobi Ọ naadọ anyị akanántị mgbe anyị naachọ isi n'ụzọ ahụ pụọ.

**Sairọs Mere Ka Ndị Israel Adọtara N'agba Nwere onweha**

Ọ dị ihe maramma nke ukwu n'eziokwu ahụ na Jehova kpaliri mmụọ nke Zerubabel na Joshua na ndị niile ahụ fọdụrụ. Ọ bụ kwa Chineke kpaliri mmụọ nke Sairọs, eze Peasia, mgbe o mere ka ndị Israel niile adọtara n'agha nwere onweha, ụfọdụ nime ha ọnụọgụgụ ha ra ka 50,000 (maọbụ puku iriise) laghachiri na Juda. Ọ bụ ihe náadịghị emeeme bụ eze náamaghị Chineke ime ka ndịa náekpere Chineke nwere onweha, ma ọ bụ Chineke tinyere nke a nime obi ya ime otú ahụ.

Oge ahụ eruwo ka Chineke wee mezue àtụ̀mààtụ̀ Ya. Ndị Israel ahụwo ahụhụ n'ihi mmehie niile ha ma ka ha mụtasịrị iheọ̀mụ̀mụ̀ ha Chineke wee nye ha ohere ịlaghachi na Juda. Ma ọtụtụ nime ha anabataghị ohere ahụ, ha wee nọgide na Babilọn. Ndị ahụ nke laghachiri na Juda dị ka ha chefuru onweha ngwangwa wee malite iji oge ha niile náeme ka ụlọ nke aka ha maa mma ma bụrụ kwa ihe náenye obi ụtọ.

Enwere otù ihe ịdọakanántị dị na nke a nye anyị taa. Chineke emeworo anyị ọtụtụ ihe! O mewo ka anyị nwere onweanyị pụọ n'orù nke mmehie; ma mgbe ihe nke ụwa naabaụba gburugburu anyị, iheegwù dị na anyị gaechefu isiihe anyị ji adịndụ nke bụ ifè Chineke Onye gbapụtaworo anyị òfùfè, na ime Ya ihembụ ná nzube niile nke ndụ anyị.

**Ụlọukwu Chineke Dị Icheiche**

Apụghị iji ebube nke Ụlọukwu Chineke ahụ nke ha naewu ugbu a tụnyere Ụlọukwu Chineke nke mbụ ahụ n'ịdịukwu maọbụ n'imamma ya, ma onyeamụma ahụ naagba ha ume ka ha dị ike ma lụzue kwa ọlụ ahụ, n'ihi na ekwere ha mkwà ihe ka ukwu na ihe dị ebube karịa. Amụma ahụ nke Hagai buru na Hagai 2:9 emezubeghị ugbu a, ma agaemezu ya mgbe Jisọs gaachị ụwa niile n'oge Ọchịchị Ya nke Puku arọ. N'ụbọchị ahụ anyị gaarịgo Jerusalem ifè òfùfè, site kwa na Jerusalem ka ikpé eziomume gaesi pụta.

Ọbụná n'ụzọ kachasị mma, òfùfè nke ụlọikwu ahụ na ụlọnzukọ abụrụwo onyinyo nke ezi ihe ahụ nke gaje ịbịa. N'ụzọ nke ihe nke imemmụọ n'ụbọchị taa anyị naañụrịọñụ n'ebube ahụ nke ụlọukwu ahụ naatụ aka banyere ya, wee náelepụ kwa anya ugbu a maka otù Onye ahụ nke ka Ụlọukwu Chineke ukwu -- maka Kraist na nlọghachi Ya n'ụwa ọzọ.

**Ọchị chọ**

Ụfọdụ mmadụ naeche na site n'isonye ndị òtù Kraist naemekọ ihe na nke a gaeme ka ha bụrụ NdịKraist, ma ihe ọ̀mụ̀mụ̀ a naakụziri anyị iheọzọ dị iche. Náání n'ihi otù ihe dị nsọ apụghị ịbụ nchekwube na ihe ọ bụla emeruruemeru gaadị nsọ ma emetụ ya aka. Ma n'ụzọ nke ọzọ, onye dị ọcha pụrụ ịbụ onye emerụrụemerụ site n'inwe mmekọrịta ya na onye emerụrụemerụ. Ị̀ pụrụ ịbà ná mmehie site ná mmekọrịta, ma ịbà ná nzọpụta, é-è, nke a apụghị ime! Ezigbo eziomume naabịkwute ndị ahụ bụ́ ndị náachọsi ya ike, ndị gaelekwasị Ya anya bụ́ onye ahụ nke nwereike ime ka ha bụrụ ndị eziomue.

Mgbe ndịa rubeèrè Onyenweanyị isi wee so kwa Ya, ha nwere ọñụ nke Onyenweanyị. Ha bụ ihe ịgbarịta ume nye onweha dịka otù OnyeKraist pụrụ isi gbaa nwanna ọzọ ume taa, ma ọ dịghị mmadụ ọ bụla gaazachitere onye ọzọ ajụjụ maka mkpụrụobi ya nke náadịghị anwụanwụ.

**Ngọzi dị icheiche**

Hagai chetaarà ndị ahụ mgbalị niile ha nwere tupu ha amalite iwu Ụlọukwu ahụ. Ha hụrụ ahụhụ nke ịnọ n'ụkọ. Mgbe ha naeleanya iwere ọtụtụ mkpụrụ n'iheubi, nke dịkarịsịrị ntà ka ha webatara. Nchakpọ, ọmụmaebù, akụmmiriigwe na ọkpụkpọnkụ bụ ihe ndị emere ka ọ bịakwasị ha n'ihi na echefuwo Chineke. Ugbu a ha maliteworo ịdọgbu onweha n'ọlụ n'iwu Ụlọukwu Chineke, ha hụrụ aka Chineke ka Ọ naagọzi ha n'ụzọ niile. Enyere mmiriòzùzò, mkpụrụọghịgha wee too. Onyenweanyị lụrụ agha niile ha ime ka ha lugbue ọtụtụ mmadụ na mba. Ọ bụ kwa otù Chineke ahụ taa.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1 Òlee eze nke nyere ndị nke Chineke ike iwu Ụlọukwu Chineke?

2 Gịnị bụ ihengọpụ ha nyere maka agaghị n'iru n'iwu Ụlọukwu ahụ?

3 Gịnị bụ ebubo nke onyeamụma ahụ boro ha?

4 Gịnị ka ọ gwara ha na ịchọ náání ihe nke onweha wetaarà ha?

5 Òlee ihe ozi nke Hagai lụpụtara n'ebe Zerubabel na Joshua nọ?

6 Ụlọukwu Jehova a, ịdị ukwu ya na ịmamma ya ọ̀ dị ka nke mbụ?

7 Gịnị bụ mkwà nke ekwere banyere ebube nke ụlọ ahụ nke Onyenweanyị n'ọdịn'iru? Òlee ọgbọ nke ọ naarụtụ aka?

8 Òlee otú ndị Israel gaesi náenweta ihe ugbu a ha nọsiriike n'ọlụ nke iwu ụlọ nke Onyenweanyị?